# IGBO CATHOLIC COMMUNITY, NEW YORK,

# AT ANGELA MERICI PARISH,

# BRONX, NEW YORK.



## SUNDAY BULLETIN: 3RD SUNDAY OF LENT (YEAR A)

## SUNDAY, MARCH 12, 2023

**HYMNS:**

**ENTRANCE:** GOD OF MERCY AND COMPASSION
**OFFERTORY:** ONYINYE OMA/CHINEKE ONYEOMA/ONYINYE DI MMA
**CONSECRATION:** AJA DI NSO
**COMMUNION:** MY HIDING PLACE
**POST COMMUNION:** OKWU NKASI OBI (WELITE ANYA..)
**DISMISSAL:** LORD I LIFT YOUR NAME ON HIGH

**IHE OGUGU NKE MBU ewetara n'Akwukwo Opupu 17 : 3-7**

***Isi Okwu: Nye anyi mmiri onunu****.*

Mgbe akpiri ikpo nku biara karia n'ebe umu Izrel no, ha bidoro ntamu, na-ekwuto Mosis si: "Gini mere I jiri kpoputa anyi n'ala Ijipt? O bu ka anyi na umu anyi na anu ulo anyi nwuchaa n'aguu mmiri? Mosis ewere rio Onyenweanyi si: "Olee ihe m ga-eme ndi a? O fotukwara nwa ntakiri ugbua ka ha tuwa m okwute." Onyenweanyi ewere gwa Mosis si: "Kporo ufodu ndi okenye nke Izrel. Gi na ha bute ndi mmadu nile uzo. Werekwa mkpara ahu I jiri kuo na osimiri jide n'aka mgbe I na-aga. A ga M eguzo n'ihu gi n'elu okwute Horeb ahu. I ga-aku ihe n'okwute ahu. Mmiri ndi mmadu ga-anu ga esi na ya agbaputa. O bu ihea ka Mosis mere n'ihu ndi okenye umu Izrel. A kporo ebe ahu Masa na Meriba n'ihi ntamu nke umu Izrel tamuru na n'ihi na ha nwara Onyenweanyi onwunwa mgbe ha siri: "Onyenweanyi O nonyere anyi ka o bu na O nonyeghiri anyi?"

Okwu nke Oseburuwa

Ekele diri Chukwu

**ABUOMA NA AZIZA YA 94: 1-2, 6-9, Az. 8**

***<u>Aziza</u>: Taa, o buru na unu anu Onu Ya, unu akpochila obi unu.***

1. Bianu ka anyi were mkpu onu tikue Onyenweanyi; toonu nkume nke nzoputa anyi. Ka anyi bata n'ihu Ya, nye Ya ekele; biakwa were ukwe too Ya. *<u>Aziza</u>*
2. Bianu ka anyi hulata kpooro Ya isi ala; ka anyi sekpuoro Chineke kere anyi. N'ihi na O bu Chineke anyi; anyi bu ndi nke Ya: igwe aturu O ji aka Ya azu. *<u>Aziza</u>*
3. O buru na unu anu olu Ya taa, unu agbachikwala obi unu, di ka e mere ya na Masa n'ime ozara. Mgbe nna unu ha ledara M anya. Ha ledara M anya nke ukwuu, ma ha hukwara aka oru M. *<u>Aziza</u>.*

**IHE OGUGU NKE ABUO ewetara n'Akwukwo Ozi Pol degaara ndi Rome. 5:1-2, 5-8.**

***Isi Okwu: Mmuo Nso e nyere anyi amunyela ihunanya Chineke n'ime obi anyi.***

Ugbu a, ebe a gurula anyi na ndi ezi omume site n'okwukwe, anyi na Chineke di n'udo site n'aka Onyenweanyi Jesu Kristi. Jesu akpobatala anyi n'ime amara Chineke, site n'okwukwe. Anyi na-erugharikwa n'ime amara ahu ugbu a. Ya mere, anyi na-anuri onu, n'ihi na anyi nwere olile anya na anyi ga-eketa otito Chineke! Ma o bughi nani nke a: Anyi na-anurikwa onu n'ime mkpagbu anyi nile. Olile anya ahu adighikwa agho anyi ahia. N'ihi na Chineke wusara ihunanya Ya n'ime obi anyi site n'aka Mmuo Nso ahu O nyere anyi. N'ihi na mgbe anyi ka no n'enweghi ike imere onwe anyi ihe o bula; mgbe oge ahu a kara aka ruru, Kristi nwuru n'ihi ndi na-amaghi Chineke. O bu ihe siri ike mmadu inwu n'ihi onye ezi omume. E leghi anya mmadu di anaa nwere ike ijisi ike nwutara ezi mmadu onwu. Ma ihe puru nnukwu iche n'ihunanya Chineke huru anyi bu na Kristi nwutaara anyi onwu mgbe anyi ka no n'agbu nke njo.

Okwu nke Oseburuwa

Ekele diri Chukwu.

**MBEKU**

Onyenweanyi n'ezie I bu Onye nzoputa nke uwa. Nye m mmiri ndu ahu, ka aguu mmiri gharakwa igu m ozo.

## OZIOMA John di aso dere Jn 4:5-42

***Isi Okwu: Isi iyi na-asoba na ndu ebighi ebi.***


Jesu wee rute n'otu obodo Sameria a na-akpo Shekem nke di nso n'ala ubi ahu Jekop nyere nwa ya, Josef. O bukwa ebe ahu ka olulu mmiri Jekop di. Jesu wee bia, nodu ala n'akuku mmiri ahu, n'ihi na ije O jere gwuru Ya ike. Oge ahu bu ihe dika etiti ehihie. Otu nwanyi Sameria biara isere mmiri. Jesu wee si ya: "Nyetu M mmiri ka M nuo." (Mgbe ahu umuazu Ya, jere n'ime obodo izuta ihe oriri). Ma nwanyi ahu zara si: "Olee otu Gi bu Onye Juu si ario m bu nwanyi Sameria mmiri ka I nuo?" (N'ihi na ndi Juu na ndi Sameria adighi eriko). Jesu zara, si ya: "O buru na I maara onyinye nke Chineke na onye o bu nke na asi gi, 'Nyetu M mmiri ka M nuo', I garala-ario Ya k O nye gi mmiri nke ndu." Nwanyi ahu wee si Ya: "Nna m ukwu ijighi ite mmiri. Olulu mmiri a mikwara emi. Olee ebe I ga-esi enweta mmiri ahu na-enye ndu? O bu Gi ka nna anyi Jekop, onye nyere anyi olulu mmiri a? Ya onwe ya, na umu ya, na anu ulo ya sikwara n'olulu mmiri a nweta mmiri ha nuru." Ma Jesu zara ya si: "Onye o bula nuru mmiri si n'olulu a, akpiri ga-akpokwa ya nku ozo. Ma onye o bula nuru mmiri ahu nke Mu onwe M ga-enye ya, akpiri agaghi ikpo ya nku ruo mgbe ebighi ebi. Kama mmiri ahu M ga-enye ya ga-agho n'ime ya isi iyi ga na-suputara ya mmiri nke ndu ebighi ebi." Nwanyi ahu wee si Ya: "Nna m ukwu, nye m mmiri a, ka akpiri ghara ikpo m nku ozo, ka m gharakwa ibia ebe a ozo isere mmiri." Jesu wee si ya: "Jee, kpota di gi, biaghachikwa n'ebe a." Nwanyi ahu zara Ya si: "Enweghi m di." Jesu wee si ya: "I kwuru nke om ana i nweghi di. I nweela di ise; ma nwoke gi na ya bi ugbua abughi di gi. Ya bu na igwara M eziokwu." Nwanyi ahu wee si Ya: "Nna m ukwu, ahuru m na I bu Onye amuma. Nna anyi ha kpooro Chineke isi ala n'ugwu a; ma unu na-ekwu na ebe mmadu ga-akporo Chineke isi ala bu nani na Jerusalem." Jesu zara ya si: "Nwanyi kwere ihe M kwuru: Oge na-abia mgbe unu na agaghi akpokwara Nna isi ala n'ugwu a, ma o bu na Jerusalem. Unu na-efe ihe unu na-aghotaghi is ya na odu ya. Ma anyi na-efe onye anyi maara. N'ihi na nzoputa si n'aka ndi Juu abia. Ma oge na-abia, n'ezie, o bialari abia, mgbe ndi na-efe Chineke n'ezie ga-akpro Ya isi ala n'ime mmuo na n'eziokwu. N'ihi ndi di otu a ka Nna choro ka ha buru ndi na-ekpere Ya. Chineke bu Mmuo; ndi ne-efe Ya ga-efe Ya n'ime mmuo na n'eziokwu. Nwanyi ahu wee si Ya: "Ama m na Mezaya, onye a na-akpo Kristi, (ma o bu E Chiri Echi) na-abia. Mgbe O biara, O ga-akowara anyi ihe nile." Jesu wee si ya: "Mu onwe M na-agwa gi okwu bu Ya." (……..)

Otutu ndi Sameria, ndi si n'obodo ahu kweere na Jesu site n'akuko nwanyi ahu korola ha, si: "O gwara m ihe nile m merela na ndu m nile." Mgbe ndi Sameria biakwutere Jesu, ha rioro Ya ka O notukwuo na be ha. O wee noo ebe ahu ubochi abuo. Site n'okwu onu Ya, otutu mmadu sokwara nweta okwukwe. Ha gwara nwanyi ahu si: "O bughikwa n'ihe i kooro anyi ka okwukwe anyi dabere. Kama anyi ejila nti anyi nu, jikwa obi anyi kwere na n'eziokwu, Onye a bu Onye Nzoputa nke uwa."

Ozioma nke Oseburuwa

Otito diri Gi, Kristi.

# IGBO CATHOLIC COMMUNITY, BRONX, NEW YORK



Produced by ICC Choir